# OMENALA IGBO NA ATỤMATỤ SDGs 3

## *(IGBO CULTURE AND SDGs 3)*

**Dr. Benedict N. Igbokwe**
Directorate Of General Studies
Federal University Of Technology
Owerri
benedict.igbokwe@futo.edu.ng

**Dr. Olekaibe Chinenye C.**
Directorate of General Studies
Federal University of Technology
Owerri
olekibechinenye@gmail.com

&
**Dr. Ngozi Theresa Onuora**
Federal University Ndufu Alike, Ebonyi State.
onuora.ngozi@funai.edu.ng

**Ụmị**

Omenala bụ ngụkọta nke ụzọ na usoro obibindụ ndị mmadụ, na mbọ ha na-agba iji gboo akamgba ndị chere ha n'ihu n'ebe obibi ha bụkwa nke ga-eme ka ihe na-aga n'ụzọ a haziri isi ma baakwara ha uru n'okwu ọchịchị ha, akụ na ụba, ọnọdụ obibi ndụ, okpukperechi, ịchọ mma nke ǹkà nakwa usoro ha si ahazi ihe, nke mere ha ji bụrụ ọpụrụiche n'ebe ndị agbata obi ha dị. Omenala gụnyere ndị a na-emetụ aka ma ndị a naghị emetụ aka. Atụmatụ SDGs 3 bụ ihe mgbaama nye mbọ nke mbaụwa niile, site na mgbakọaka n'ọrụ, iji buo agha megide agụụ, ọrịa, ịkpa oke n'etiti nwoke na nwanyị, mmetọsị na ndakpọsị nke gburu gburu ebe obibi, itibọrịbọ, ụkọ ihe ndị e ji ebi ndụ dgz. Ọ dị mwute, na dịka oge na-akụ kwarapụ kwarapụ n'ịgbaru afọ puku abụọ na iri atọ (2030), o nwebeghị ihe na-egosi na ndị Afịrịka adịrịla na njikere inwetali ọbụladị otu n'ime atụmatụ niile ndị a. Echiche nchọcha a bụ na ndị okwu dị n'aka n'atụmatụ ọrụ mmepe ndị ga-adịgide adịgide e lebabeghi anya n'omenala mba dị icha iche, dịka ụzọ e kwesịrị ịgbasoro iji nwetazuo atụmatụ ndị a a gụpụtasịrị. Nchọcha a na-ekwu na ala Igbo juputara na omenala na ọdịbendị ndị ahụ bara ezi uru, nke bụ na a kwalite ha, ga-agate aka n'ime ka e nwetazuo atụmatụ nke otu mba ụwa n'okwu ahụike. Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'atụtụ nchọcha a nke otu mba ụwa na-ahụ maka ahụike (WHO) n'okpuru otu mmụta Lowtja Institute, nke na-akọwa mkpa omenala Mba dị n'okwu ahụike ha (The Cultural Determinants of Health Framework) wee leba anya n'ụfọdụ omenala Igbo ndị e nwere ike itinye n'ọrụ iji nweta ezi ahụike ma kpọchapụkwa ọrịa ndị a na-ebute ebute nakwa ndị na-efe efe. Nchọcha a gbasoro usoro sọvee ma lekwasịkwa anya na steeti ise ndị mebere ala Igbo. Ngwa nchọcha gụnyere ịgba ajụjụ ọnụ, nakwa ihe ndị e ji anya hụ. Site na ntụcha na ntụchasị ka nchọcha a jiri zipụta na n'ezie, omenala Igbo bụ ụzọ kwụ ọtọ iji kwagide atụmatụ oru mmepe ndi ga-adigide adigide n'okwu ahuike (SDGs 3). Nchocha a ga-abara otu mba ụwa uru, ọha ndị Igbo nakwa ndị na-eme nchọcha na nchopụta n'okwu ahụike. Nchọcha a nyekwara ntụziaka dị iche iche maka ọdinihu.

**Okwu Ndị Gbara Ọkpụrụkpụ: Ahụike, Ọrịa, Ọgwụ, Omenala, Ọgwụgwọ ọrịa.**

***Abstract***

*Culture is the summation of peoples mode of living in their efforts to tackle the problems and difficulties of life in their millieu and this brings about cohesions in the areas of politics, economy, arts, socio-religious life and their organizational structure. These differentiate them from their neighbours. Culture consists of material and non material aspects. The Igbo are lavishly graced with all areas of culture, which they love so much. Sustainable Development Goals (SDGs) stands for a collaboration by all world countries to tackle diseases, hunger,gender inequality, literacy, poor infrastructure and environmental decay amd dilapidation. Sadly enough, as time is fast approaching the year 2030, there is nothing tangible to show that africans are ready to achieve any of these targets. The research opines that the facilitators of SDGs have not readily looked into the cultures of different countries as a strategy to achieving the outlined objectives. This research maintains that the Igbo have rich culture, traditions, customs and values which with a measure of projection, will go far in achieving the SDGs 3 (on health). This research derives its authorities from Cultural Determinants of Health framework by Lowitja, Institute, a world Health Organization Committee on culture and health, and looked into some aspects of Igbo culture that can be harnessed to acheive good health, eliminate most infectious and contageous diseases. The research took a survey of the five Igbo states and made personal observations as well as interviews. Through a critical analytical discourse, the research disclosed and affirmed that Igbo culture is a direct and veritable way of achieving the Sustainable Development Goal (SDGs) on health. This research will immensely benefit the United Nations the Igbo nation as well as researchers on health matters. It finally gave recommendations.*

***Keywords: Culture, Health, Disease, Medicine, Treament***

**Ndubata**

Hornby (2000:284) kọwara omenala dịka "ọdịbendị na nkwenye, ǹkà, ụzọ ndụ na otu ọha na eze nke otu obodo ma ọ bụ òtù si eme ihe ha".

Nkọwa ọzọ banyere omenala bụ ụzọ ndụ, omume nke zuru ọha mmadụ. Ọ gụnyere ihe ọ bụla anyị chere, ihe anyị na-eme, nakwa ihe ndị anyị nwere dịka ndị bi n'otu obodo. N'ihi ya, ọ gụnyere echemuche, ihe ndị e jiri kpọrọ ihe, nkwenye, agụmagụ, okpukperechi na ọnọdụ ekerechi ụwa ndị mmadụ. Ọ gụnyekwara usoro iwu nke ndị mmadụ ji agbazi akparamagwa nakwa ihe ndị ọzọ a na-ahụta n'etiti ha. Ihe nke a pụtara bụ na omenala gụnyere ihe niile bụ nketa nke mmadụ, amamiihe niile, nkwenye, ọdịbendị, nakwa aka ọrụ ndị ha nwetara dịka ndị bi n'obodo.

Omenala bụ ihe nketa nke obodo ọ bụla. Ọ bụ ụzọ pụrụ iche otu agbụrụ mmadu si ebi ndụ, nhazi òzùzù obibi ndụ ha. Omenala na-egosi na obodo dibu adị ma na-ewetakwa amamiihe ndị dị mkpa nke ga-eme ka obodo gaa n'ihu (Abakere, 2009:3).

N'okwu nke ya, Hall, (1971:42) kọwara

> Omenala bụ usoro nzirịta ozi: mkpụrụokwu, mmegharị ahụ, ogo olu mmadụ, ihe ndị e jiri ọdịdị ihu gosipụta, otu mmadụ si ewere oge, ohere, ihe ndị a na-

> emetụ aka, otu e si ekwu okwu, aga ije, eri nri, egwu egwu, egosipụta ịhụnanya, nakwa ichekwa onwe ya.

Ihe ndị a bụcha usoro nzirịtaozi zuru oke nke na-egosi omenala.

N'oge agba ọhụrụ a, a na-akọwa omenala dịka ọnọdụ mwulite amamiihe na ezi agwa n'obodo. Ọ bụ ụzọ ndụ n'ozuzuoke, ngwa ihe ndị a na-emetụ aka, amamiihe nke ihe na nke mmụọ nye obodo. Ọ bụrụ na e lezie ya anya, a ga-aghọta omenala dika ngosipụta ikikere mmụọ nke mmadụ wee site na ya nwetara mmadụ ezi ọnọdụ karịrị ka ọ dị na mbụ. Ọ bụ mwekọta nke ihe onwunwe nke mmadụ nwetara igosi ike nke mmadụ ma ọ bụ ike nke mmụọ ma ọ bụ nke ihe ndị a na-ahụ anya, (Okoro, 2004:66).

Omenala bụ ihe gbasara ọha obodo, ọ naghị anwụ mgbe otu onye nwụrụ ma ọ bụ ụfọdụ mmadụ. Omenala ndị mmadụ na-efu naanị mgbe ọha mmadụ niile ahụ nwụsịrị.

Nkọwa ndị a e nyere na-egosi na omenala nwere ndị a na-emetụ aka, nweekwa ndị nke a naghị emetụ aka. Ndị nke a na-emetụ aka gụnyere akọrọngwa ndị mmadụ mụtara ka e si emepụta ha, ma na-ejikwa ha na-egbo mkpa ndị dịịrị ha n'obodo. Ihe ndị sitere n'ụlọ mmepụta ihe dị iche iche, ngalaba mmepụta ọgwụ, owuwu ụlọ, akwa, ọgụ na mma, nakwa ihe ndị ọzọgasị a na-ahụ anya na-emetụkwa aka.

Ngalaba omenala ndị nke a naghị emetụ aka gụnyere, amamiihe, echiche banyere ekere ụwa, akparamagwa, asụsụ, omume, dgz, bụkwa ihe ha nwekọrịtara ma na-enyefekwa ha site n'aka fere n'aka. A naghị ahụ omenala ndị a n'anya ma ọ bụ metụ ha aka, kama ha na-ezipụta onwe ha site n'echemuche nakwa akparamagwa nke ndị mmadụ. Ọ bụkwa ya mere ụdị agbụrụ mmadụ dị iche iche ji eme otu ha si eme. Ụdị omenala a na-abịa n'ụda, akọ na uche, nkwenye, ihe ndị obodo kpọrọ ihe, usoro iwu nakwa omume ndị ahụ e nwere ike iji kọwaa mmadụ na gburugburu ebe obibi ya.

Ndị Igbo dịka agbụrụ nwere omenala, nwere uju onyinye ndị a Chukwu nyere ha bụkwa ndị ha na-ewebata n'obibi ndụ ha kwa ụbọchị, iji na-egbo ọtụtụ mkpa ndị dịịrị ha, ma na-enwetazukwa mbunuche ọrụ mmepe obodo ha.

**Ndị Igbo**

Ndị Igbo bụ ndị na-asụ asụsụ Igbo. A na-enweta ha na mpaghara ọwụwa anyanwụ nke ala Naịjirịa, nke gụnyere steeti ndi a: Abịa, Anambra, Enugu, Ebonyi, Imo, mpaghara Delta, Rivers a Cross River. Steeti ndị a a kpọrọ aha bụ ebe ndị a ga-enweta ndị Igbo n'uju ha, mana a ga-enwetakwa nnukwu ọnụọgụgụ ha na mpaghara ụwa niile.

Obinna, (2002:124)

> Agbụrụ ndị Igbo, n'ụdịdị ha dịka ndị nwere akaraka dị iche iche ma na-agbasapụkwa agbasapụ, kwesịrị iji ezi ọnọdụ ha dịka ozurumba nweta uru. Kedụ ebe ị nwere ike ịga hapụ ịhụ onye Igbo, ọ bụghị naanị na ha nọ n'ebe ahụ,

> kama ha ehiwela òtù dị iche iche ma gbaakwa mgbọrọgwụ n'ebe ndị ahụ. Dịka ndị nwere ezi akọnauche, ndị Igbo na-enwe mmasị n'igbuho ụzọ, ma kwenyekwa na ala Igbo dị ntakịrị nke na ọ gaghị enye ha ohere inwetazu mbunuche ha nakwa itinyesị ọtụtụ akaraka ha n'ọrụ. Ọ bụ ya mere e ji ahụ ha n'obodo niile, ọ bụladị na mba ụwa niile, nke mere e jiri kwuo si, ọ bụrụ na ndị mmadụ bi n'ọnwa, ndị Igbo bi n'ebe ahụ.

Ihe nsereokwu a na-akọwa bụ na ndị Igbo bụ ndị a ma-ama n'iji onyinye amamihe na-elenye anya n'ụzọ dị iche iche, nke mbunuche ha bụ ịchọpụta ụzọ ndị ha ga-esi gboo mkpa dị iche iche nakwa akamgba ndị chere ha na ndụ.

Anozie, (2003:19) gara n'ihu kọwaa na,

> Ọnụọgụgụ mmadụ nke e mere n'afọ (2001/2002) kwuru na ọnụọgụgụ ndị Igbo dị nde mmadụ iri na isii. Ndị Igbo na-ejikarị oji, gba agbaa ma nweekwa egbugbere ọnụ buru ibu. Ha na-etokarị ogologo, ma na-asụkwa asụsụ Igbo. Mgbasiike n'ọrụ ka e jiri mara ha, ebe ha na-egosịkwa ịhụnanya na ezi nnabata nye ndị ọbịa. Ndị Igbo na-elekọta nwanne ha.
>
> Ndị Omee nchọcha a kwenyere na ndị Igbo na-eme nke ọma n'aka ọrụ ọbụla ha họọrọ. E wezụga azụmahịa, ọrụ ugbo na ngalaba ịgba mbọ ndị ọzọ, ejirimara ọzọ pụrụ iche ndị Igbo nwere bụ ịchụ nta mmụta. Nke a na-edunye ha n'ime nchọcha na nchọpụta ndị ga-abaara ndị mmadụ uru.

Ndị Igbo nwere usoro ha si eji ejiji, nke mere ka ha dị iche n'etiti agbụrụ ndị ọzọ. Ndị nwoke na-adị jụmpa, ebe ndị nwaanyị na-ama ukwu akwa abọụ, uwe ngụ na ịchafu.

## ATỤMATụ ỌRỤ U.N.O ỊKWAGIDE ỌRỤ (SDGs) MAKA MMEPE NDỊ GA-ADỊGỊGỊDE ADỊGỊDE

N'ọnwa Setemba, 2015, na Steeti New York, nke obodo America, ka otu mba ụwa nọọrọ n'ọgbakọ e hiwere maka atụmatụ ọrụ mmepe ga-adigide adịgịde, wee kpebie isiokwu ọnọdụ ezi ndụ dị iri na asaa, bụkwa nke a tụrụ anya na obodo niile ndị so n'otu mba ụwa ga-emezu tupu afọ puku abụọ na iri atọ.
Mbunuuche e jiri hiwe atụmatụ a bụ udo na ọganihu ndị mmadụ nke mba ụwa, dịka a na-agba mbọ igbo nsogbu nke mgbanwe ọnọdụ ihu eluigwe na-ebute nakwa ichekwa osimiri na oke ọhịa ndị dị n'ụwa.

Atụmatụ SDGs na-eme ka a mata ihe jikotara ọnọdụ gburugburu ebe obibi, mmekọrita mmadụ na ibe ya nakwa ọnọdụ akụ na uba.

Isiokwu ndị a gụnyere:

- Ịchụla ụbịam
- Imela agụụ
- Ezi mmụta nwere agba
- Oke nhatanha n'etiti nwoke na nwanyị
- Mmiri dị ọcha na ebe obibi dị ọcha

- Ikikere ọkụ dị ọcha ma bụrụkwa aka rukwa nwa ogbenye
- Ọrụ dị mma na mwulite akụ na ụba
- Ụlọ ọrụ mmepụta ihe, imegharị ihe n'ụzọ dị ogo nakwa ewumewu ihe ndị e ji ebi ndụ
- Mbelata ahaghị n'otu
- Mwulite ime obodo nakwa obodo ndị mepere emepe ndị ga-adịgide adịgide
- Mmepụta ihe nakwa iji ngwa ndị e mepụtara eme ihe n'ụzọ nwere ugwu
- Ịma ihe e mere banyere ọnọdụ ihu eluigwe
- Ndụ n'okpuru osimiri
- Ndụ n'elu ala
- Ụdi ikpe ziri ezi na ewumewu ndị gbasiri ike
- Mgbakọ aka n'ọrụ maka mbunuuche ndị a.

**Atụmatụ SDGs Nke Atọ**

Atụmatụ SDGs nke atọ bụ maka ezi ahụike nakwa ezi ọnọdụ na ịdị mma nke ahụ mmadụ. O hiwere isi n'iweta ndụ jụputara n'ahụike ma kwalitekwa ịdị mma nke ahụ mmadụ, ma nwata ma okenye. Nke a gbasapụrụ aka n'okwu ndị metụtara ahụike, tinyekwara, ọrịa ndị ọbịara-fesaa, ọ ga-ahụkwa na okwu ahụike ruru nsọtụụwa niile, ma belatakwa ogo ndị mmadụ ji anwụ n'ihi nrịanrịa.

Iji gbuo ya nkenke, atụmatụ SDGs nke atọ bụ maka ịkwụsị ọrịa mbịara-fesaa, n'ime afọ puku abụọ na iri atọ. Ọrịa ndị gụnyere o biri n'aja ọcha, ụkwara nta, ịba nakwa ọrịa ndị ọzọ a na-eleghara anya.

Nke abụọ bụ ime ka okwu ahụike ruo na nsọtụ niile nke ụwa. Nke a gụnyere ime ka ọrụ ahụike ndị dị mma ruo ndị mmadụ aka, ka ọgwụ nakwa ọgwụ mgbochi ndị ọzọ bụrụ aka rukwa nwaogbenye.

Nke atọ bụ ibelata ogo mmadụ ji na-anwụ. Nke a ga-ebelata ọnwụ ụmụaka a mụrụ ọhụụ ndị ahụ nwere mgbochi nakwa ụmụaka ndị nọ n'okpuru afọ ise, ma belatakwa ogo ndị nne ji anwụ.

Nke anọ ga-eleba anya n'ihe ndị ahụ na-ebute ọghọm. Ọ ga-ebelata ọnwụ na ọrịa ndị ahụ sitere na mmiri mmụọ ndị na-eyi ndụ egwu, mmetọsị ikuku nakwa mmiri.

Nke ise bụ maka ije awale n'okporo ụzọ. Isiokwu nke a ga-ebelata oke ihe ọdachi n'okporo ụzọ nakwa ọnwụ na mmerụahụ na-esote ha.

Nke isii bụ maka ezi ọnọdụ ahụike n'ihe gbasara mmekọ nwoke na nwanyị maka ịmụta nwa.

Nke asaa wee bụrụzie, ịhụ na e nwere ezi ahụike maka ụbụrụ na ọgụgụisi nke mmadụ.

**Uru Atụmatụ SDGs nke Atọ Bara**

i. Ndụ bụ isi, n'ihi ya ezi ahụike bụ oke ruuru mmadụ, ma dịrịkwa ezigbo mkpa maka mmepe ga-adịgide adịgide.

ii. Ezi ahụike ga-akwalite okwu akụ na ụba, ezi ọnọdụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya nakwa ichekwa ezi ọnọdụ gburugburu ebe obibi mmadụ.

iii. Ịganye aka n'okwu ahụike ga-eme ka e nweta ezi ndị ọrụ ga-arụpụta ihe, belata ụbịam ma kwalite ezi ọnọdụ ndụ mmadụ – (https://sdgs.uniorg)

**Atụtụ Nchọcha (The Cultural Determinants of health framework)**

Nke a bụ atụtụ nke na-ekwu na ọnọdụ okwu ahụike nke ndị mmadụ dabeere n'omenala ha. Ọ na-egosi ikikere omenala nwere, n'ụzọ pụtara ihe, n'itụ otu ọnọdụ ga-adị gbasara ahụike na ezi ndụ nke ndị mmadụ nakwa ime obodo dị iche iche. Atụtụ a na-ekwusi ya ike mkpa ọ dị bụ ejirimara nke omenala, nkwenye, ihe ndị obodo jiri kpọrọ mkpa, ogo nhazi ọnọdụ mmekọrịta ndị mmadụ na ibe ha, nakwa omume ndị ahụ ga-enye aka n'igbazi okwu ahụike na omume ndị metụtara ya.

Atụtụ a na-ahụta omenala n'ụzọ karịrị ǹkà na egwu, kama ọ hụtara ya dịka ụzọ gbasapụrụ aka n'ijikọta isiokwu ndị ahụ metụtara ahụike.

**Isiokwu Ndị Dị N'Atụtụ A**

i. **Ejirimara omenala:** Nkwụgidesike n'ejirimara omenala na-abụ ihe nchekwa, nke ga-enye aka mgbasiike na ọnọdụ ahụike ndị dị mma.

ii. **Ndigide nke usoro omenala:** Inwe ike gbado ụkwụ n'usoro ihe ndị ọdịnala dị iche iche ma na-enyefekwa ha n'aka ọgbọ ndị nke na-abịa n'ihu bụ ihe jikọrọ ya na ezi ahụike nakwa ezi obibi ndụ.

iii. **Nnwereonwe na ọchịchị:** Mmadụ ịtụ ihe ga-eme banyere ahụike ya na nke ndị obodo ya tinyekwara ikikere ime mkpebi ndị metụtara okwu ahụike na omenala dị iche iche, dị oke mkpa.

iv. **Ezinụlọ, ikwu na ibe na obodo:** Otu nkwado ọha na eze kwụ chịm, tinyekwara ezinụlo na obodo, socha na-eweta ezi ọnọdụ ahụike.

v. **Asụsụ:** Ịsụ nakwa ichekwa asụsụ ndị, nwere ike bụrụ ngwa ọrụ siri ike maka ndịgide nke omenala na ezi ọnọdụ ahụike.

vi. **Nkwenye na amamiihe ọdịnala:** Usoro amamihe na mmụta ọdịnala na nkwenye ha dị iche iche nwere ike gosi ụzọ ndị pụrụ iche n'okwu ahụike na ọgwụgwọ ọrịa.

vii. **Ngosipụta omenala:** Nke ndị dịka ime ǹkà, egwu, na ịkọ ạkụkọ ifo nwere ike ịdị mkpa maka ejirimara omenala na ezi ndụ.

**Uru Atụtụ Nchọcha a**

Nghọta nke atụtụ a gbadoro ụkwụ n'omenala n'okwu banyere ahụike, dị mkpa iji buo agha megide mpu na arụ dị n'okwu ahụike. Ileghara ihe ndị gbasara omenala anya nwere ike kpata ịgba ọnyụpaa na mbọ a na-agba n'okwu ahụike ma kpatakwa adịghị n'otu n'okwu ahụike.

Site n'ịsọpụrụ ma nyekwa ndịiche dị n'omenala ọnọdụ ruuru ya, usoro okwu ahụike nwere ike wulite atụmatụ nakwa usoro ọrụ ndị ahụ ga-adaba ma mịtakwa ezi mkpụrụ.

**Ọnọdụ Naịjirịa N'atụmatụ SDGs**

Atụmatụ SDGs bụ mbọ nke mba ụwa niile jikọtara aka na-agba iji buo agha megide agụụ, ọrịa, ahaghi otu, nke nwoke na nwanyị. Ndakpọ nke gburugburu ebe obibi, itibọrịbọ nakwa e nwetaghị ewumewu ndị e ji enyere ndụ aka.

A tụrụ anya na a ga-enwetazu mbunuuche a n'afọ puku abụọ na iri atọ (2030). Ya mere o jiri dị mkpa na obodo ọ bụla ga-elebara onwe ya anya, ịmata ma ha ga-enwetazu mbunuuche a n'ime oge a na-ele anya ya.

Okwu Ndukwe (2007:8) nụtara n'ọnụ otu mba ụwa (UN) dabara n'ọnọdụ a,

> Na nchọpụta e mere maka mba Afịrịka, òtù mba ụwa, e kwuola na mba Afịrịka amaghị ihe ekwe na-ekwu n'inwetali ọ bụladị otu n'ime mbunuuche atụmatụ SDGs, na-agbanyeghị na e nweela ebe ndị ụfọdụ ha gbara mbọ mana ọ bụladị obodo ndị nwere ezi ọchịchị a gbabeghị ezi mbọ n'ibelata oke ụbịam n'ụdị ya dị iche iche.

Naịjirịa sokwa n'otu obodo ndị dị n'ime Afịrịka. Ka ọ dị ugbu a, ọtụtụ akamgba chere ya n'ihu n'ihe banyere ewumewu ndị e ji enyere ndụ aka, dịka okporo ụzọ, ọkụ latriiki, mmiri ọṅụṅụ nakwa ihe ndị ọzọ, akọrọngwa ụlọ agụmaakwụkwọ nwechara nnukwute akamgba nke enweghi ego nkwado zuru oke. Ụlọgwụ enweghị akọrọngwa ahụike zuru oke, ndị ọrụ tozuru oke nakwa ezi usoro ọrụ. Ihe ọnọdụ a ga-eme bụ ibelata ohere e nwere maka ibelata ogo ndị nne nwa na ụmụaka ji anwụ, bụkwa ihe ndị bụ mbunuche atụmatụ SDGs inwetazu tupu afọ 2030, belụsọ ma a gbara mbọ a hụrụ anya.

N'ihi ọnọdụ ndị a a tụlerela, nchọcha a na-eche na e nwere ike inwetazu ụfọdụ mbunuche atụmatụ SDGs ma ọ bụrụ na e lebagharịa anya n'ezigbo omenala nakwa omume ọma ndị ahụ ndị Igbo ji kpọrọ ihe, ma tuteghariakwa ha, ọ kachasị, dịka ha siri metụta okwu ahụike.

**Omenala Igbo na Ahụike**

A maara omenala Igbo nke ọma dịka nke ji ndụ na ezi ahụike kpọrọ ezi mkpa. Nkwenye ndị a pụtagasịrị ìhè n'aha Igbo na atụmatụ okwu ndị dị iche iche dịka Ndụkwe, Ndụbụụzọ, Ndụbụizu, Adịndụ, Ndụkakụ, Ndụbụisi, nakwa ọtụtụ aha ndị ọzọ dịka ha. Aha ndị a niile na-

akọwa na ndụ dị mkpa karịa ihe ọzọ ọ bụla. Okwu ndịichie ọzọ na-akwado ihe nchọcha a na-akọwa bụ, "ahụike bụ ụba".

Okoro (1998:8) kwenyere na,

> Chukwu karịrị dibịa. Ahụike bụ akụkụ omenala anyị, n'ihi ya o sokwa n'ejirimara anyị. Mmadụ ịmata na ọrịa bụ onye iro ya kacha ibe ya na ọ bụghị ọnwụ, meziri ka e tinye uchu n'ịgwọ ọrịa karịa nchekwa, site n'iji usoro ọgwụ ọdịnala, ebe ọ bụ na e nweghị onye ma banyere ọgwụ agba ọhụụ n'oge ahụ.

Nsereokwu a dị n'elu na-egosi nkwenye ndị Igbo nakwa Afịrịka n'ozuzu ha. Ndị Afịrịka, ọ kachasị ndị Igbo kwenyere n'ire ire nke ọgwụ ọdịnala. N'ihi na ọ na-ere ire ka e jizi were ya na-egbo mkpa ahụike ndị mmadụ.

Idowu (1973:89) dịka a hụtara n'Onyekwere (2009:89) na-ekwu

> Kamgbe e kere ụwa mmadụ na-ezute mkpa bụkwa nke ọ maara ike aka naani ya onwe ya apụghị igbo. Inye ọgwụ bụ nke ịgwọ ọrịa, ebe ịgba afa na-ekwu maka ụzọ e si eme nchọpụta. Inye ọgwụ na ịgba afa na-enyerịtara onwe ha aka n'igbo nakwa ịchọpụta ihe ndị zoro ezo nke ndụ, nke mere ka mmadụ nwee mkpa maka nnapụta, nkasiobi nakwa ịmatacha ọnọdụ ihe ndị na-eme gburugburu ebe obibi.

Ndị Afịrịka nwere arụsị dị iche iche ndị na-ahụ maka ọrụ ndị a. Iji maa atụ, n'akụkọ ọdịnala ndị Igbo, e kenyeere Agwụ ọrụ ịgba afa, n'ihi na o nwere akọnuche pụrụ iche maka iji mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ agwọ ọrịa tinyekwara ụma echiche. A na-ekwu na ọ bụ site n'aka Agwụ nke ndị dibịa si enweta ọkpụkpọ oku ọrụ ha. A na-akpọ ha n'ọrụ ịgwọ ọgwụ site na nrọ, ịhụ ọ́hụ̀ nakwa izute ndị mmụọ kwa mgbe kwa mgbe, ọ kachasị n'ime ọhịa. Akụkọ juru eju banyere ịgba ama, banyere mgbọrọgwụ dị iche iche, ahịhịa nakwa azụ osisi ndị nwere ike ịgwọ ụfọdụ ọrịa ndị a kpọrọ aha n'ahụ mmadụ (Onyekwere, 2009:90).

Okwu ndịa na-akọwa ihe kpatara ntụziaka Chukwu jiri dị mkpa mgbe ọ na-akwado ọgwụ ọ bụla a na-enye mmadụ. Onye a na-enye ọgwụ ga-agbasorịịrị ntụziaka ndị e nyere ya. Mgbe a na-akwado ọgwụ ndị a, a na-eji mbọrịma na ife aka n'ụdị na-eme ka ọgwụ ọdịnaala nwee ebube.

Anozie (2003:115) wee kwado

> Agwụ ma ọ bụ Agwụnshi bụ otu n'ime chi ndị ahụ a pịrị apị. Ndị dibịa aja na ndị nke mkpaakwụkwọ na-anata ya ike ha ji arụ ọrụ. Otu a kwa ka o si enye ha ike mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ juputara n'ime ọhịa, bụkwa ndị e ji agwọ nrịanrịa dị iche iche. Ọ bụ agwụ na-agbanyere dibịa izu banyere mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ na-arụ nke ha na-arụ, ike ha ji agba afa, n'ịmata ihe gaje ime eme nakwa ihe ndị a pụrụ ime iji gbochie ọnọdụ na-adịghị mma.

Nsereokwu a bụ ihe nkwado nye okwu a na-ekwu na e nwere ikikere dị n'ịgba afa. Ọzọkwa ịmata ihe banyere mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ bụ onyinye pụrụiche nke na-ezughị mmadụ

niile ọnụ, naanị ndị ọ bụ ọ natara chi ha nyere ha. N'otu aka ahụ, ndị dibịa bekee ga-eburu ụzọ nwee akaraka ma ọ bụ ọkpụkpọ oku, tupu ha agawa ozi dị iche iche nke ga-enye ha ntozuoke dịka ndị dibịa bekee.

**Ndị dibịa Ọdịnaala dịka ndị ọrụ ahụike a zụrụ azụ**

Na nkọwa nke otu mba ụwa na-ahụ maka ahụike (WHO), (1976:3): ogwụ ọdịnaala na mgbọrọgwụ mkpaakwụkwọ ọ natara chi bụ,

> "ngụkọta nke amamiihe niile na ihe omume dị iche iche, ma ndị nke e nwere ike ịkọwa ma ndị nke a na-enweghị, bụ ndị a na-eji enyocha, gbochie ma kpochapụkwa, ezughị oke ma ọ bụ adịghị ike nke ahụ, ọgụgụ isi nakwa ọnọdụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya, nke dabeere n'ihe ndị a hụrụ ma ọ bụ metụ aka, e nyefere site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ ma ọ bụ e dere ede ma ọ bụ e kwuru n'ọnụ."

Site na nkọwa a sara mbara, o doro anya na ihe mmadụ metụrụla ma ọ bụ lere n'anya nke e nyefere site n'otu ọgbọ ruo na nke ọzọ n'ụdị ọ bụla, bụ ụzọ pụtara ìhè ndì dibìa mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ si enweta ọzụzụ ha. Ihe ndị a hụrụ anya, ndị rere ire maka ọgwụgwọ ọrịa nke ọ bụla ka a na-enyefe site na ndụdụgandụ ruo na ndụdụgandụ, n'ọtụtụ oge site n'akụkọ ọnụ nke sitere n'agbụrụ, ezinụlọ ma ọ bụ site n'ịgba odibo ọrụ. Ya bụrụgodu ezinụlọ ndị nwere onyinye akaraka inye ọgwụ, onye ọ bụla n'ime ha nke chọrọ ịmalite ọrụ a ga-ebu ụzọ gaa mụọ ihe gbasara ọgwụ ndị a site n'ịga gbaa odibo iji mụta ọrụ a nke ọma, n'ihi na ọ bụghi mmadụ niile a mụrụ n'ime ezinụlọ ahụ ga-abụcha dibịa. Ọzọkwa, ebe ọ bụ na usoro nnyocha ma ọ bụ nchọpụta ọrịa na ọgwụgwọ ya ga-abụrịịrị ihe a ga-ebu n'uche, mmadụ kwesịrị inwe ọzụzụ n'ụdị ǹkà ahụ (Anyanwu 2000)

Ihe mmụta di n'okwu ndị a bụ na ọgwụ mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ so n'omenala Igbo, mgbe a na-eme ya a ga-eme ka onye ọrịa mara ihe a na-eme.

Okpako, (1986:59) wee kwuo

> "Ndị mba Afịrịka ka mara ihe banyere otu obodo ha siri ghọta ihe ndị na-akpata oria nakwa ọgwụgwọ ha, karịa ndị si mba ndị ọcha;

Ihe e kwuru n'elu rụtụrụ aka na ngosipụta amamiihe nke mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ nakwa ọrụ ha. Ihe ndị a ka a na-akpọ mmụta ọdịnaala. N'ihi nke a, nchọcha a achọpụtala na nwaafọ Igbo ọ bụla, ọ kachasị nwoke nwere ike ịtụziri mmadụ aka banyere ụmụ ahịhịa na mmiri mgbọrọgwụ ndị mmadụ nwere ike iji nwere onwe ya n'aka ụfọdụ ọrịa ndị mmadụ na-arịakarị. Ọtụtụ ezinụlọ nwere ọgwụ ndị nke na-agara ha, iji gwọọ afọ ọsịsa, isi ọwụwa, ịba nakwa ọrịa ndị ọzọ.

Ọ dizi mwute na n'ihi mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ adabaghị n'usoro omenala nke ndị ọcha na-ekwu na ha karịrị ibe ha, nakwa n'ihi na ọ na-ara ahụ na mmadụ a gaa mahadum ije mụọ ihe banyere usoro obibi ndụ nke ndị ya, ọ bụrụzie na ọ malite inye ọgwụ, a kpọọ ya

adigboloja, n'ihi na ọ gbasoghị usoro sayensị. Ha na-akpọkwa ndị dị otu a ndị a na-azụghi azụ. Ndị dị otu a chefuru na mmụta ọdịnaala bụ otu usoro pụtara ìhè n'okwu mmụta. Ụdị ọrịa ndị na-arịa ndị Afịrịka nakwa ọgwụgwọ ha dị iche na nke ndị ọcha ndị na-akpọ ọgwụ ha ọlọrọọhụụ.

Okpako, (1989:221) kwetara na,

> Ọgwụ, ma ọ bụ n'ụzọ ọdịnala ma ọ bụ n'ụzọ ọlọrọọhụụ bụcha usoro nkwenye ndị mmadụ, ọzọkwa, n'ihi na mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ na-agbaso usoro mmụta ọdịnaala, dịka ụzọ ha si azụpụta ndị dịbịa na-eto eto, o tụfubeghị usoro o ji enyocha ahụ; ịchọpụta ihe ndị na-arịa mmadụ. Ọ bụ usoro ozuzu na inye ọgwụ a nke dabeere n'omenala, nwere ike inye nkọwa ihe kpatara onye dibịa ọdịnaala oge ụfọdụ na-agwọta ọrịa, nke nyịrị ogbo ya onye dibịa ọlọrọọhụụ.

Otuosiladị, ọ bụ ihe doro anya na ọ bụladị usoro inye ọgwụ nke ọlọrọọhụụ, gbanyere mgbọrọgwụ n'usoro inye ọgwụ ọdịnaala. Okoro, (1998:18)

Iji usoro ọgwụ ọdịnaala agwọ ọrịa dịka ụzọ ọnatarachi, malitere n'aka Chukwu. Ọtụtụ oge ka Chineke gosipụtara na mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ dị ire, site n'iji ha agwọ ndị mmadụ ọrịa dịka ọ pụtara ihe n'akwụkwọ nsọ, n'ebe ndịa: Isaiah, (58:21) "Ha were akpụrụakpụ ahụ osisi fig, tee ya n'otito ahụ ka o nwere onwe ya". John (9:6) E mere nke a onye ọrịa wee gbakee "... ọ gbasara asụ n'ala were ya meta ụrọ asụ mmiri, wee tee nwoke ahụ n'anya, wee sị ya, "Gaa saa ahụ n'ọdọ mmiri Siloam" o wee gaa ahụ ya wee lọghachi malite ịhụ ụzọ".

N'ebe a ọ bụ ihe doro anya na Chineke ji nnukwute ike ya gwọọ nwoke kpuru isi site n'iji ụmụ ihe ndị ọnatarachi, dịka asụ ọnụ, ụrọ na mmiri.

Akwụkwọ Mkpuhe, (22:2)

> N'etiti ama ya n'akụkụ a na n'akụkụ nke ọzọ nke osimiri ahụ. Ka osisi nke ndụ dịkwa, na-amị ụzọ mkpụrụ iri na abụọ, na-enye mkpụrụ ya n'ọnwa n'ọnwa, akwụkwọ osisi ahụ bụ ihe ime ka ahụ dị mba niile ike.

Ihe ngụpụta a na-akọwa ihe kpatara ụfọdụ osisi ji arụ ụzọ ọrụ abụọ, ọnọdụ ọ ga-abụ na osisi ga-amịpụta mkpụrụ osisi a ga-ata ata, tinyekwara ahịhịa na mgbọrọgwụ ya, ndị a na-eji agwọ nrịanrịa.

> Ezekiel, (47:12) wee kwuo
>
> Ọ bụ kwa n'osimiri ahụ, n'ụzọ ya, n'ụzọ ya, n'otu akụkụ n'otu akụkụ nke ọzọ, ka osisi ọ bụla nke na-amị mkpụrụ oriri ga-eto akwụkwọ ya agaghị akpọnwụ, mkpụrụ ya agaghị agwụ kwa, kwa ọnwa ka ọ ga-eme mkpụrụ mbụ n'ihi na mmiri ya, n'ebe nsọ Chineke ka ha si apụta, mkpụrụ ya ewee bụrụ ihe oriri, akwụkwọ ya ga-abụkwa ihe ịgwọ ọrịa.

Ihe ndepụta a ka na-arụkwa aka na ihe banyere iji ahịhịa na mgbọrọgwụ osisi agwọ ọrịa a malitelarịị kamgbe Chukwu kere ụwa a.

Abụọma (104:14) wee kwado

> "Ị bụ onye na-eme ka ahịhịa puere anụ ụlọ, na-emekwa ka ihe a kụrụ n'ala puere ọrụ ubi mmadụ, ime ka nri si n'ala pụta".

Ihe ndị a niile bụ ọnatara chi, ihe ndị Chukwu jiri gọzie mmadụ, dịka Akwụkwọ Mbido, (1:29) si gbaa ama,

> Chineke wee sị, lee, e nyewo m ụnụ ihe ọkụkụ niile ọ bụla na-amịpụta mkpụrụ – ọghịgha, nke dị n'elu ụwa niile, na osisi niile ọ bụla, nke mkpụrụ osisi na-amịpụta mkpụrụ-ọghịgha dị n'ime ya, ụnụ ka ọ dịịrị ibu ihe oriri.

Ọ bụrụ na anyị eleruo anya n'ọrụ ndị erimeri na-arụ na ndụ mmadụ na ahụike ya, o doro anya na erimeri bụ ụdị ọgwụ kacha ibe ya mkpa. N'ihi ya erimeri bụ ọgwụ.

N'otu aka ahụkwa, Ndịeze, nke abụọ (4:39) wee kọọ akụkọ a,

> "Otu onye wee pụọ, baa n'ọhịa ịchịkọta akwụkwọ nri, ọ hụta osisi vine ọhịa, chịkọta afụfa-ọhịa n'ime ya na njụ uwe ya bịa binye ha n'ite ofe, n'amaghi ihe ha bụ.

Site n'ama ndị a sitere n'akwụkwọ nsọ Baịbụlụ, o doro anya na ngwa ọdịnala na omenala na-arụ ọrụ ndị dị mkpa n'igbo nsogbu ahụike, ndị mmadụ. Nwoke mbụ, a kọrọ akụkọ ya biri n'elu ụwa, e nweghị nsogbu ọ bụla na gburugburu ebe obibi ya. Ọgwụ mbụ ya bụ ahịhịa na mgbọrọgwụ.

Ịma ihe banyere mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ na ihe ndị e ji ha eme bụ onyinye sitere n'ọgbọ wee ruo n'ọgbọ.

N'okwu Aregbeyem, (n.d. 14)

> Iji ahịhịa na mgbọrọgwụ agwọ ọrịa bụ itinye n'ọrụ ihe ndị ahụ bụ nkwenye ọdịnala, amamiihe, mmụta nakwa ihe omenala dị iche iche ndị metụtara ahụike mmadụ. Ndị na-enye ọgwụ ọdịnala nwere ngalaba ọrụ ha nke kacha doo ha anya, bụkwa ebe ha na-arụla. Otu a ka ọ dịkwa ndị dibịa ọlọrọọhụụ.

O bu onodu di otu a a kowaputara n'elu mere e jiri nwee ndi okachamara n'iji ahihia na mgborogwu agwo nsogbu ahuike di iche iche mmadu nwere. E nwere ndi na-agba okpukpu n'uzo odinala, ndi na-agho nwa, ndi na-agwo isi mgbaka, nakwa oria ndi ozogasi.

**Ufodu Ahihia na Mgborogwu Igbo na ihe ndi e ji ha Agwo**

Iji ahihia na mgborogwu agwo oria so n'omenala Igbo. Ahihia na mgborogwu ndi a juru eju bara abara n'ala Igbo. Ogwu ndi a adighi oke onu ahia dika ogwu ndi nke o loro ohuu.

Anyanwu (2000:14) choputara na

> "Ebe ndi oru ahuike oloroohuu ka hie udu bu n'obodo ndi mepere emepe, ebe ndi bi n'ime ime obodo no na-atagbu onwe ha n'ahuhu".

N'ihi onodu a, a ruturu aka n'ebe a, o dila ezigbo mkpa ikwalite, mmuta na nghota udi ahihia na mgborogwu e ji agwo oria di iche iche tinyekwara ahihia ogwu ndi e ji egbochi oria.

**Nchuanwu:** A hutara nchuanwu dika ahihia na-adi ire n'ikwusi erimeri agbariaghi agbaria n'afo mmadu. O na-ayochasikwa obara n'udi a choro ya iji buo agha megide oria ndi dika oria mmamiri, oria ochi nsi, afo osisa, ozi imi (imi igba obara) nakwa ndi ozo.

O bu ahihia a ma ama iji sie mmirioku anu, ofe osikapa, na agworoagwo ji (Anyanwu, 200:19).

**Ndunkita:** Dika Anyanwu siri kowaa, e kwenyere na Ndunkita no na mbuuso n'ime ahihia ndi ahu e ji agwo otutu oria ndi e chere na o nweghi ngwota. O bu ahihia ogwu okputorokpu nke juputara n'ihe omimi, nke ndi amamihe; ihe omimi na-asopuru dika ahihia di nso nke nwere ike iwepu oria o bula.

A na-eji ndunkita agwo oria akwukwu, oke ahu ntawasi nakwa mkpesa ndi ozo. O na-akwalitekwa obara na ike di mmadu n'ahu. O na-akwusi ozi imi (obara igba n'imi) mgbe e tinyere ya n'imi n'udi juru oyi. Osisi ndunkita na-akwusi obara igba n'eriri afo nakwa ufurukpa, nke ihe kpatara ha bu oria ocha n'anya nakwa afo otoro.

E kwenyekwara na ndunkita bu okachamma n'igbochi oria obi nakwa nsogbu ndi metutara obara iga were were n'ime akwara mmadu.

Dika Anyanwu (2000:20) siri kwuo,

> "Ọ na-ejikọta usoro ahụ mmadụ si arụ ọrụ wedata ọbara gbaliri elu ma meekwa ka ọbara gbadara agbada gbalie ebe o kwesịrị. Ọ na-akụjụobi na-ekweghị anọ jụụ site n'igbochi ogbe ọnọdụ ahụ ndị ahụ ọbara mgbali elu na-ebute, dịka, anya ibu ajụ, ntị ịzụ wụrọwụrọ, anya mkpuchi nakwa ọbara igbaju n'isi.

Ndụnkịta na-abakwa ezigbo uru nyere akụkụ ahụ ndị na-ewepụta mmiri ndụ dị iche iche (homones) bụkwa ndị na-abanye n'ọbara iji mee ahụ mmadụ na-arụ ọrụ otu o kwesịrị. Ọ na-enyekwa aka n'igbaze erimeri n'ime afọ ma na-achụpụkwa ndị na-ekwesịghị ịnọ n'ahụ mmadụ. Site n'ụzọ a ọ na-ekpochapụ ihe na-akpata ọrịa ọnya ahụ (cancer). Ọ na-atọhapụ kwa akwara ndị ihe sụchiri ma gbochie ọrịa ahụọnwụnwụ na ọrịa akwara dị iche iche. A na-ejikwa ọgwụ a agwọ nsogbu ụmụnwaanyị na-enwe n'ihu nsọ ha nakwa n'akpa nwa ha.

**Ayabashị Nkịrịsị (Garlic):** Ayabashị nkịrịsị bụ ọgwụ ọdịnaala a ma ama. Ndị dibịa ọdịnala zuru ụwa niile na-eji ya arụ ọrụ. Ndị mpaghara dị iche iche na-eji ya arụ ụdị ọrụ dị iche.

Ihe ndị e sitere na ayabaasì nkịrịsị wepụta na-egbu ụmụ nje ọrịa dị iche iche. A na-eji ya asachasị ụfụrụkpa nkuume (lungs), ọ na-ala ụkwara na ihe mkpọgide oyi, ụmụ mkpụrụmkpụ na àvàrà dị n'ime afọ, imi nge, dịrị gawazie.

Ayabashị nkịrịsị nwere ike ịgbọchị ọrịa mmenwu (cancer), nakwa ọbara mgbali elu, site n'ime ka ọbara mmadụ gbaa zere zere. (Anyanwu, U.E.: 2000:21).

**Akị Ilu:** A ma akị ilu ama n'ala Igbo, ọ bụghị n'ihi ọrụ ya n'ịnọchite anya ọjị mgbe ọjị na-adịghị, kama ọtụtụ mmadụ na-achọzi ya karịa ọjị n'ihi uru dị ya n'ịgwọ ọrịa.

N'ala Igbo e weere ihe niile nọ n'ahụ akị ilu ma mkpụrụ ya dịka ezigbo ọgwụ dị mkpa. Ọ bụrụ na a bachapụta mkpo ahụ osisi akị ilu, mmiri pụtara na ya ka e ji agwọ atụghị ime nke ndị inyom. A na-ejikwa mmiri ahụ akị ilu a sachapụ akpa nwa nwa nwụrụ n'ime ya. A na-eji ya eme ka ịnyịpụta nwa dị mfe mgbe a na-amụ nwa. O na-emekwa ka ara nwanyị mụrụ nwa na-agba were were. A na-eji akị ilu agwọ nje ọrịa ndị na-ebutere mmadụ nsogbu n'okpo mmamịrị.
(Oparaeke, S.M. Personal communication: August, 12, 2025)

Mkparịtaụka odee nchọcha a nwere mere ka a mata na ọ bụrụ na e kpepụta mkpo ahụ osisi akị ilu, wee banye ya na mmiri jụrụ oyi, tinyetụ ya nnu ntakịrị, e nwere ike iji ya gwọọ ọrịa umeọkụ (asthema) ụkwara na ọgbụgbọ. Ọ bụrụzie ebe nwoke anaghịzikwa enwe mmasị na mmekọ ya na nwanyị, mgbọrọgwụ akị ilu a banyere na mmanya ngwọ ga-egbo nsogbu ya, ma tutegharịa mmasị ya. Ọ bụrụ na a sachasịa ahịhịa akị ilu ma fọọkwa ya dịka e si afọ olugbu, yọchasịa ya, e nwere ike iji mmiri ya gwọọ ọrịa ụkwara na ọgbụgbọ. Mkpụrụ akị ilu n'onwe ya na-agwọ ụkwara na nsogbu nkọlọ. Ọ na-emela akpịrị ma ọ bụ olu ịgụ mmadụ. E ji ya na-ebelata agụụ, wee site n'ụzọ ahụ na-ebelatakwa oke ibu. O na-egbu nje ọrịa ndị nọ n'ime eriri afọ wee site otu a na-egbochi ọrịa otoro.

**Oroma ilu:** Oroma ilu juputara ụmụ nri na-emezi ahụ nke C na nke A. Ọ na-eme ka e nwee okpukpu eze gbasịrị ike, nakwa ihe banyere akwara. A ma oroma ilu nke ọma dịka ihe na-amịkọrọsị ma na-asachasịkwa abụba ndị dị n'ọbara mmadụ. Oroma ilu na-egbu nje ọrịa ndị na-emetụta ọwara e ji eku ume, dịka ọrịa ume-ọkụ, ụkwara nakwa mkpọgide n'obi. N'ihi ikikere ya, n'igbu nje ọrịa, a na-etinye ya iji gwọọ ọrịa afọ otoro, ọrịa akụm anya odo nakwa nsi e ritere n'ọnụ. Ọ na-emekwa ka ahụ mmadụ gbasie ike ma jụkwa ịnabata nje ọrịa di iche iche. (Anyanwu, 2000:22)

E wezụga mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ ndị a e depụtarala n'ebe a, nchọcha a achọpụtakwala ahịhịa na mgbọrọgwụ ndị ọzọ dicha ezi ire ndị e ji agwọ ọrịa dịka:

- Ogirisi
- Egbu
- Abịrịka
- Ụda
- Opete
- Jikara
- Ọkwụrụ-oru

- Abọshị
- Ọchọonyenọgwọ
- Olugbu
- Ose ọjị
- Ebube agụ
- Nchụanwụ
- Mmimi ọhịa
- Ehuru

Ahịhịa na mgbọrọgwụ Igbo ndị a a kpọrọ aha, ka a ma ama nwere ike ịgwọ otu ọrịa ma ọ bụ nke ọzọ. (Oparaeke, S: personal communication; August, 12, 2025).

**Omenala Igbo na Mgbochi Ọrịa O Biri N'aja Ọcha**

Ọrịa a, dịka aha ya siri dị na nchọpụta ndị e meerela, bụ ihe a na-ebutekarị site na mmekọ nwoke na nwaanyị. Ọzọkwa ihe e dere n'akwụkwọ na-egosi na pasenti iri asaa (70%) nke mbute ọrịa obiri n'aja ọcha na-efe site na mmekọ nwoke na nwaanyị. N'ihi ya, Osoba, (1999) na-atụ alo

> "...E nwere ike ibelata ọghọm a site n'ịhụ na nwoke ọ bụla lụrụ naanị otu nwanyị n'enweghi mmekọ ya na onye ọ bụla n'ama (P. 9:52). Ihe mmụta dị n'okwu a bụ na mmekọ nwoke na nwanyị na akwamiko aghara aghara ji ọnụọgụgụ pasenti kacha ibe ya n'ịkpata ọrịa ndị a na-esite na mmekọ nwoke na nwanyị ebute.

Ndị Igbo dịka agbụrụ kwụụrụ onwe ha, nwere mpaghara omenala ha nke ha ji egbochi oke akwamiko n'ụzọ n'ezighị ezi. Ụdị omenala ndịa na-apụta ihe n'ụdị arụ na nsọala.

Nsọala, dịka Mairi, (1998:1488) siri dee ya, bụ ihe ọ bụla a na-asọ nsọ ma ọ bụ machibido ya iwu n'ihi okpukperechi ma ọ bụ ọnọdụ mmekọrịta ndị mmadụ na ibe ha".

A na-ahụta arụ na nsọala dịka iwu mmụọ tinyere, nke gbasapụrụ aka dịka ikikere mmụọ ala ha, nke na-adabereghị n'ihe a hụrụ anya kama na nkwenye e nwere n'ịdị ike nke ihe nnọchite anya ndị ahụ.

N'ala Igbo, ndị nna nna anyị ha, ndị ọkpụ na ndị egede ndị ji uche eme ihe jụrụ ajụjụ dị mkpa banyere ihe ndụ pụtara, ime ihe n'usoro iwu, udo, mbikọrịta nakwa otu a ga-esi jilata mmadụ nke nnupụisi dị adị n'ọbara. Ọsịsa ajụjụ ha ahụ bu mmalite mmachibido iwu nke okpukperechi na ọnọdụ ndị mmadụ bụkwa nke na-abụghị ọ bara abịa ma ọ bụkwanụ ihe e ji omenala mba ọzọ hazighariạ kama ọ ka bụkwa ihe nrite nke ndị mmadụ nke sitere n'ala ndị nna nna ha (Uche, O.O.C. 2009:239). Nsọ ala na-anọchite anya usoro okpukperechi na omenala site n'ịsụ asụsụ mgbochi na mmachibido, ịdị nsọ site n'ihe ngosi, mgbaama na enyo uche.

E webatara nsọ ala iji kwalite nkwụgidesike, ime ihe n'usoro nakwa ọganihu nke dabeere n'omume dị mma, ịdị uchu, mgbasiike n'ọrụ, ikwu eziokwu na ịtụ egwu Chukwu. Mmadụ ji maka ọdịmma ya wee tinyere onwe ha iwu ndị ga-eme ka ha na-ejilata onwe ha, n'omume ndị na-adịghị mma iji nwee udo na ọganihu.

Dịka Mairi, (1998:243) siri kọwakwuo, "nsọala bụ usoro ọbụla nke na-asọ omume ndị na-edoghi anya, a machibidoro iwu". Onye ọ bụla mere nsọala na-anata ntaramaahụhụ dịka iwu obodo siri kwuo.

Nsọ banyere akwamiiko nwaanyị nọ na di nakwa nke onye ya na mmadụ bụ otu ọbara (ihe ọkpọshị) bụ nsọala ndị Igbo tinyere iji gbochie akwamiiko n'ụzọ na-ezighị ezi nakwa nsogbu ndị so ya nke gụnyere ibute ụmụ ọrịa na-efe efe, nke nje ọrịa o biri n'aja ọcha so n'ime ha.

Uche, (2009:243) n'uche nke ya kwuru

> "E tinyere nsọala n'ewumewu alụmdi na nwunye iji mee ka ọ kwudosie ike belata ịtụ ime ọkwa, ịgba alụkwaghịm, aghara aghara n'alụmdi na nwunye nke nwere ike ime ka mmadụ bute ọrịa o biri n'aja ọcha. N'ihi ya ka o jiri dị mkpa igbochi ọnọdụ ndị a site n'iwu nsọala".

N'otu aka ahụkwa, e webatara nsọ ime ihe ọkpọshị iji kpagbuo oke agụụ akwamiko n'ihi oke mbịakọta nke ndị sitere n'otu ezinụlo ime, nakwa oge ụfọdụ ndị ikwu na ibe ndị ọzọ. Okwu a bụ ihe ọkpọshị na-ekwu maka ọnọdụ ọ ga-abụ nna, nwanne nna, nwanne, nwoke na nwa nwanyị, nwa nwanne ha nwanyị ma ọ bụ nwoke, nwanne ha nwanyị na nne ha, n'otu n'otu.

Ihe a bụ nnukwute ihe ọghọm n'ụzọ buru ibu. E wezụga mfesasị ọrịa ndị a na-esite na mmekọ ebute, ọnọdụ nke O'Dobbel (1974:39), kwuru na-eme ka ụmụ ndị a ga-amụta nwee nkwarụ dị iche iche, dịka; itibọrịbọ, ogbu, ara na iberibe, dịrị gawazie.

Nke a mere Anugom, (2010:5) jiri kwuo

> Chineke na mmụọ nsọ bi n'ahụ mmadụ. N'ihi ya ọ dịghị mma ka e mechuo ya site n'ime enyi na ịkwa iko. Oke akwamiko n'ụzọ na-ezighị ezi ga-eme ka mmadụ bute ọrịa ụmụnwanyị dị iche iche. Ọnọdụ a ga-emekwa ka e nwee ọnwụ mberede nke sitere n'iwepụ nwa dị n'afọ, imete ihe ala na-asọ nsọ n'ụdị mmekọ nwoke na nwoke nakwa nwanyị na nwanyị ọ bụladị mmekọ mmadụ na ụmụanụmanụ.

Ihe ọjọọ ndị a a gụsịrị n'elu ebe a, ka a na-ahụta dịka ihe na-ezighi ezi nakwa ezigbote arụ n'omenala Igbo. Onye ọ bụla aka kpaara dara iwu a ka a ga-amapụ n'iwu ma ọ bụ ọ kpụọ arụ, (kwaa ala). Nke a na-abụ ezigbo ihe ihere nye onye mere ụdị ihe a. Iji gbanahụ ụdị akaja na mmebọ a, ndị mmadụ na-ezere ihe nwere ike ime ka ha daba n'ọnya ọ kachasị ibute ọrịa ndi sitere na mmekọ nwoke na nwanyị.

**Omenala Igbo Dịka O Siri Metụta Nwanyị Na-Amaghị Nwoke**

Ndị Igbo na-agbarụ ihu megide nwoke ma ọ bụ nwanyị inyepụ ma ọ bụ metọọ onwe ha, tupu ha a lụọ di ma ọ bụ nwunye. Ọ bụ ezigbo ihe mfu nyere nwaanyị ọ bụla buuru ụzọ mara nwoke tupu ya alụwa di. Mgbe gboo, a ga-agbahapụ nwanyị dị otu a ma kpọlaara ya ndị nwe ya.

Achebe, (1974:122) wee koo

> N'agbanyeghị na Ọkụata pụtara n'ụtụtụ na-eme ihere n'akwa ọ ma n'ahụ, bụkwa nke na-amaghi ya ahụ. Ọ bụ ihere nke jupụtara n'ugwu. O nwere ike gaa kelee nne na nna di ya n'enweghi ihere n'ihi na "e bitubeghị ya aka". Di ya nọ ugbu a na-eme nkwado ịkpụgara ndị mụrụ ya ewu ka ha nye nne ya n'Ụmụezeanị maka ịlụnye ya nwunye a na-emetọbeghị emeto..."

Ihe ndebiri a na-ezipụta mkpa ọ dị nwanyị ichekwa ugwu ya, n'amaghị nwoke ruo mgbe ọ hụrụ di. Ọ bụghị naanị na onye dị otu a na-echekwa ugwu ya, kama ọ na-echekwakwa onwe ya ka ọ hapụ ibute nke ọ bula n'ime ọrịa ndị na-esite na mmekọ nwoke na nwanyị.

N'ala Igbo, nwoke na-alụ agbọghọ a na-emetọbeghị, na-ezigara ndị ọgọ ya ọtụtụ ihe onyinye ndị gụnyere ewu, nnekwu ọkụkọ, akwa, paụda, ude, ncha nakwa ihe ndị ọzọ a na-eri eri. Ihe ndịa bụ iji kelee nne nwa ahụ maka ịkpọnye ya nwa dị sam. Nne nwa a, nke ọṅụ juputara n'obi ga-akpọkọba ụmụnwanyị ibe ya ka ha bịa soro ya ṅụrịa (Anyadike, 2002:90)

N'ala Igbo, nsọ akwamiko a bụghị naanị maka nwanyị, ọ dịkwaara nwoke. Ya mere Achebe, (1974:115) jiri kọọ akụkọ a.

> "Mgbe nwanyị Obika na-achọ ilu na ụmụnna ya bịara, o wee lee ya anya ọzọ, ọ tụrụ ya n'anya nke ukwu na ya hapụrụ ya ka ọ lawa n'emetụghị ya aka n'oge ikpeazụ ọ bịara. Ọ maara na ụmụnwoke olemole ndị ọgbọ ya kaara ijikọta ma sọpụrụkwa onwe ha, n'ụzọ omenala, ọkpụtọrọkpụ ha siri kwado. Mana ihe ziri ezi ziri ezi. Obika wee na-enwe afọ ojuju n'ime onwe ya.

Site n'ihe mmuta si na nsereokwu a, omenala Igbo mere ya na onye ntorobịa ọ bụla nwere ihe ọ ga na-atụ egwu, nke bụ ịtụfu ugwu ihe o jiri bụrụ nwanyị ma ọ bụ nwoke, tupu alụmdi na nwunye. Ndị mere nchọcha a na-ahụta ịtụ egwu dị otu a dịka nke bara ezigbo uru, n'ihi na ọ bụghị naanị na ọ na-ewetara mmadụ nkwuwa okwu na onyinye ọma dị iche iche, kama ọ na-egbochi onye ahụ ibute ma ọ bụ fesaa ọrịa o biri n'aja ọcha.

Ụzọ kacha mma iji gbochie mfesasị nje ọrịa HIV bụ ezigbo ndụ. N'ụwa niile gbaa gburugburu, a na-akpọ oku dị iche iche, wee na-agwa ndị nwoke na ndị nwaanyị ka ha gbanarị mmekọ nwoke na nwanyị mgbe ha na-alụbeghị, nakwa ịgba n'ezi n'ebe ndị nke lụrụla alụ dị.

Ngalaba niile nke otu jikọtara ndị obodo, tinyekwara ụlọ ọrụ ndị nke gọọmenti, òtù ụka na ụlọakwụkwọ, òtù ndị na-abụghị nke gọọmenti, n'ụlọ ọrụ mgbasa ozi ga-ebuli site n'ụzọ ọ bụla ha hụrụ iji katọọ ajọ omume ndị a. (Okeudo, 2005:4)

**Nchịkọta na Mmechi**

Chukwu ji ngalaba omenala niile gọzie ndị Igbo. Dịka o siri doo ndị Igbo anya na "ọkwa mba na-achị n'olu n'olu; ihe mba nwere ka ha ji egbo mkpa dịịrị ha. Ndị Igbo na-ejikarị akụ ndị chi nyere, omenala ha na ihe ndị ha jiri kpọrọ ihe iji gboo nsogbu ahụike ha. Omume a dịkwa ire ma na-arụtụkwa ọrụ ruo n'ọgbọ dị ugbu a. Ndị odee nchọcha a wee na-atụzi aro ka:

i. A kụziere ndị na-eto eto ụdị omume ndị ahụ na-eme ka mmadụ nwee ugwu na nsọpụrụ.
ii. A ga-akụziri ha ihe ga-eme ka ha ṅomiri omume ndị dike larala ala mmụọ, ndị hapụrụ ezi nzọụkwụ maka ọdịmma obodo ha.
iii. Site n'iji onwe ha gosi ezi ọmụmaatụ, ndị nne na nna ga-akụziri ụmụ ha ezi aha dị na ịdigide sam, na-emetọghị onwe tupu alụmdi na nwunye.
iv. Ndị òtù ebiri nakwa òtù ndị ọzọ dị iche iche ga-akụziri ndị òtù ha ụdị ndụ ndị ha ga na-ebi nke ga-akwalite ezi ahụ ike ha.
v. Ndị ọ dị n'aka n'inwetazu mbunuche nke atụmatụ SDGs ga-eleba anya n'ụlọ ma nye aka kwalite kwa omenala na ihe ndị ahụ mba jiri kpọrọ ihe, dịka ntụpụ ụkwụ mbụ na njem a e ji enwetazu mbunuuche atụmatụ SDGs, ọ kachasị dịka o siri metụta ahụike.

**Edensibịa**


Abakere, C. (2009). "Definition of Culture" in Aghamelu, F and Asomugha, C (eds) Readings in African Thoughts and Culture. Enugu: Strong Tower.

Achebe, C. (1974). *Arrow of God*. Ibadan: Heinemann.

Anezi, O. (1998). "Chukwukadibịa" in Ahịajọkụ lecture series. Owerri. Ministry of Information and Culture.

Anozie, C. (2003). *Igbo kwenu: Akụkọ na Omenala ndị Igbo.* Enugu: Computer Edge publishers.

Anyadike, N. (2002). "Bridal Wealth as Symbol of Permission for Conjugal Rights in Igbo Marriage Culture" in Aṅụ a Journal of Igbo Arts and Culture, No 6 Owerri Imo State Council for Arts and Culture.

Anugom, F.O. (2010). "Ahụ Mmadụ, Nsọpụrụ kwesịịrị ya" In Odenigbo lecture series. Owerri: Catholic Archdiocese of Owerri.

Anyanwu, U.E. (2000). *Modern Herbal Medicine: An Exposition of African Medical Heritage.* Owerri: Mantle Publishers.

Aregbeyem, J.B. (1980). Traditional Medicine for Sustainable PHC in indegenous knowledge and development monitor.

Hall, E.T. (1971). *Beyond Culture.* New York: Anchor Books.

Hornby, A.S. (2000). *Oxford Advance Learners Dictionary, 6th edition.* Oxford: Oxford University Press.

Obinna, V.E. (2002). Igbo Language and the Challenges of Philosophical Expression. in *Aṅụ Journal of Igbo Arts and Culture*, No 6 Owerri: Imo State Council for Arts and Culture.

Okeudo, N.J. (2005). Prevention and Control of HIV/AIDs through attitudinal change and good lifestyle Workshop paper, Owerri.

Okoro, E.N. (2004). "The Effect of Imported (foreign) Religion on African Cultural Values in JONLAC, Vol. 6. Owerri: APNILAC

Okpako, D.T. (1986). The Impact of Traditional African Medicine on the use of Modern Drugs in "Ethnic Differences in Reaction to Drugs and Xenobiotics. New York C.O. Kalogo and A.R. Liss Inc.

Okpako, D.T. (1989). Culture and the Development of Medicine in Nigeria Since Independence, the first 25 Years Vol. III. Nigeria: Heinemann Educational Books.

Onyekwere, U.O. (2009). "Basic Belief System in African Traditional Religion" in Readings in Aghamelu, F and Asomugha, C (eds) Readings in African Thought and Culture. Awka: Strong Tower Press.

Osoba, P. (1999). *Abortion is killing.* Owerri: Osoba publications.

Ozuzu, K.J. (N.D). Information & Uses of Garlic and Ginger as spices and Curatives.

Uche, O.C. (2009). "The Socio-Religious Significance of Taboos in Nigeria. in Aghamelu F. And Asomugha C. (eds) Readings in African Thought and Culture. Awka: Strong Tower Press.

World Health Organization (1976). African Traditional Medicine Brazaville. Afro-Tech. www.un.org/sustainabledevelopment/sdgs.un.org